AKWỤKWỌ-NDUZI

# EZI-NA-ỤLỌ

AKWỤKWỌ-NDUZI

# EZI-NA-ỤLỌ

E bipụtara site n'aka
Nzukọ nke Jisus Kraịst nke Ndi-nsọ Ụbọchị-ịkpeazụ ndi a
Obodo Salt Lake, Utah

© 2002 site n’aka Intellectual Reserve, Inc.
Ikike nile ka e dokwara
E biri na United Steti nke Amerịka

Inye-nkwado Asụsụ Bekee: 11/99
Inye-nkwado Ntughari-asụsụ: 11/99
Ntụgharị-asụsụ nke *Family Guidebook*
Igbo

# Ihe ndi dị n’ime ya


“Ezi-na-ụlọ Ahụ: Otu Nkwupụta nye Ụwa” v

Nhazi na Ebumn’obi nke Ezi-na-ụlọ 1
- Nhazi 1
- Ebumn’obi 3

Ikuzi Ọzi-ọma ahụ n’Ebe-obibi 5
- Ọmụmụ Akwụkwọ-nsọ Ezi-na-ụlọ 5
- Ekpere nile nke Onwe na nke Ezi-na-ụlọ 6
  - Ekpere nile nke Onwe 7
  - Ekpere nile nke Ezi-na-ụlọ 7
  - Ekpere Ọpụrụ-iche nile 0
  - Ịgọzi ihe-orịrị 7
- Nnọkọ Anyasị n'Ebe-obibi Ezi-na-ụlọ 8
- Ụbọchị Ezum-ike nile na Oge Ọpụrụ-iche nile 10
- Ịkwụ Otu ụzọ n'ụzọ iri na Onyinye nile 10
- Mkparịta-ụka nile nke Oge-nri 10
- Akụkọ nile nke Oge-ụra 11
- Ịrụkọta Ọrụ Ọnụ 11
- Nzụkọ nile nke Ezi-na-ụlọ 11
- Ajụjụ-ọnụ nile nke Otu-onye 11
- Ihe-omume nile nke Ezi-na-ụlọ 12

Ntọ-ala Ọrụ nile nke Ọkwa-nchụ-aja 13
- Mkpa nile nke Muọ na nke Anụ-ahụ 13
  - Mkpa nile nke Mụọ 13
  - Mkpa nile nke Anụ-ahụ 13
- Ikesa Ọzi-ọma Ahụ 15
- Emume-nsọ nile nke Temple maka Ndi Dị Ndụ na Ndi Nwụrụ anwụ 17

Ọzụzụ Odudu 17

Ezi-na-ụlọ Ahụ dịka Otu Yunit Nzụkọ-nsọ 18

Emume-nsọ Ọkwa-nchụ-aja nile na Ngọzi nile 20
- Ịgụ-aha na Igọzi Ụmụntakịrị 21

Baptism 21
Ime Onye-otu 22
Inyefe Ọkwa-nchụ-aja ahụ na Ichi echichi baa n'Ọkwa-ọrụ nile nke Ọkwa-nchụ-aja 22
Oriri-nsọ 23
Igọzi Ndi Ọrịa 24
Ido Mmanụ Nsọ 24
Igọzi Ndi Ọrịa 25
Iji Mmanụ mee Otite-mmanụ 25
Irachi Otite-Mmanụ ahụ 25
Ngọzi nile nke Nna na Ngọzi nile Ndi Ọzọ nke Nkasi-obi na Ndụmọdụ 25
Igọzi ili 26

# “Ezi-na-ụlọ Ahụ: Otu Nkwupụta nye Ụwa”

N'afọ 1995, Otu Ndi-isi-ndụzi Mbụ na Kworum nke Ndi-ozi Iri-na-abụọ ahụ nyepụrụ “Ezi-na-ụlọ ahụ: Otu Nkwupụta nye Ụwa.” Nkwupụta nke a bụ otu ịma-ọkwa na nkwụdosike nke ozizi nile na ihe-omume nile ndi-amụma kwugharịworo ugboro ugboro gazuo akụkọ nke Nzukọ-nsọ. O nwere ụkpụrụ nile dị mkpa n'ime ya nye obi-ụtọ na ọdị-mma nke ezi-na-ụlọ ọbụla. Ndi-otu ezi-na-ụlọ kwesịrị ịmụkọta nkwupụta ahụ ọnụ ma bie-ndụ site n'iwụ ya nile.

---

“Anyị, Otu Ndi-isi-nduzi Mbụ na Kansụl nke Ndi-ọzi Iri-na-abụọ nke Nzukọ nke Jisus Kraịst nke Ndi-nsọ Ụbọchị-ikpeazụ ndi a, na-ekwụpụta n'oke ịdị mkpa na ọlụlụ di na nwunye n'etiti otu nwoke na otu nwanyị bụ ihe e chiri site na Chineke ma na ezi-na-ụlọ ahụ bụ nke etiti nye atụmatụ nke Onye-okike maka akaraka mgbe ebigh-ebi nke ụmụ ya.

“Mmadụ nile—oke na nne—ka e kere n'onyiyo nke Chineke. Nke ọbụla bụ nwa-nwoke ma ọbụ nwa-nwanyi mụọ a hụrụ n'anya nke nne na nna nke eluigwe, na si otu a, nke ọbụla nwere eke na akaraka dị nsọ ịbụ nwoke ma ọbụ nwanyị bụ otu akara dị mkpa nke ndụ tupu abịa n'ụwa, ndụ nke ụwa, na ejịrị-mara nke mgbe ebigh-ebi na ebumn'obi nke mmadụ.

“N'ime ala-eze nke ndụ tupu abịa n'ụwa, ụmụ-nwoke na ụmụ-nwanyi mụọ mataara ma nọrọ na-efe Chineke dịka Nna nke mgbe Ebighi-ebi ha ma nabata atụmatụ ya site na nke ụmụ ya ga-enwe ike inweta ahụ nke anụ-ahụ ma rite ihe-mmụta nke ụwa inwe ike gaa n'ihụ chee ihu n'izu-oke ma nwe ike n'ikpe-azụ mezuo akaraka nsọ ya dịka onye-nketa-oke ndụ ebigh-ebi. Atụmatụ nsọ ahụ nke obi-ụtọ na-eme ka mmekọrịta ezi-na-ụlọ nile digide gabiga ili ahụ. Emume-nsọ nile dị nsọ na ọgbụgba-ndụ nile e nwere na temple nsọ nile na-eme ka o kwe omume ka ndi mmadụ laghachi n'ihu nke Chineke na ka ezi-na-ụlọ nile bụrụ otu ruo mgbe ebigh-ebi.

“Iwu-nsọ mbụ ahụ nke Chineke nyere Adam na Iv gbasara ike ha ịbụ nne na nna dịka di na nwunye. Anyị na-ama-ọkwa na iwu-nsọ nke Chineke maka ụmụ ya ịmụba ma jụpụta ụwa ka dị ire. Anyị na-agakwa n'ihu n'ịma ọkwa na Chineke e nyewo iwụ-nsọ na ike nile dị nsọ nke ịmụ-nwa ka a ga-eji mee ihe nanị n'etiti nwoke na nwanyị, ndi nke lụrụ di na nwunye n'ụzọ iwụ kwadọrọ.

Anyị na-ama ọkwa ụzọ site na nke a na-eke ndụ nke ụwa ịbụ nke a họpụtara n'ụzọ dị nsọ. Anyị na-akwado-

sike n'ịdị nsọ nke ndụ na nke ndụ na nke mkpa ọ dị n'atụmatụ ebigh-ebi nke Chineke.

"Di na nwunye nwere ọrụ dịịrị ha dị ezịgbo mkpa ịhụ ụmụ ha n'anya na ilekọta onwe ha anya onye ọbụla nye ibe ya. 'Ụmụ bụ ịhe-nketa na-esi n'aka Onye-nwe-anyị' (Abụ-ọma 127:3). Ndi nne na nna nwere ọrụ dị nsọ izụlite ụmụ ha n'ịhụn'anya ma n'ezi-omume, inwetara ha maka mkpa nile nke anụ-ahụ na nke mụọ, ikuziri ha ịhụrịta onwe ha n'anya ma jerịtara onwe ha ozi, idebe iwụ-nsọ nile nke Chineke na ịbụ ndi nwe-ala nile na-edebe iwu ebe ọbụla ha bi. Ndi di na ndi nwunye—ndi nne na ndi nna—a ga ejide ha maka nzara onwe n'ihụ Chineke maka ịrụ ọrụ ndi a mara ha n'aka.

"Ezi-na-ụlọ ahụ ka e chiri site na Chineke. Ọlụlụ di na nwunye n'etiti nwoke na nwanyị dị mkpa nye atụmatụ ebigh-ebi Ya. Ụmụ nwere oke n'ime njikọ nile nke ọlụlụ di na nwunye, ma n'inwe nzụlite site n'otu nna na otu nne ndi na-akwanyere nkwa ọlụlụ di na nwunye nile ugwu jiri nkwesị ntụkwasi-obi kpam kpam. Obi-ụtọ na ndụ ezi-na-ụlọ ka a ga-akachasị inweta mgbe e jiri nkuzi nile nke Onye-nwe-anyị Jisus Kraịst mee ntọ-ala ya. Ọlụlụ di na nwunye na ezi-na-ụlọ nile nwere ọgan'ihụ bụ ndi e hiwere ma jigide n'ụkpụrụ nile nke okwukwe, ekpere, nchegharị, mgba-ghara, nsọpụrụ, ịhụn'anya, ọmiko, ọrụ, na ihe-omume egwuri egwu nile zuru oke. Site na nzube dị nsọ, ndi-nna ga-anọ n'isi nye ezi-na-ụlọ ha nile. Ndi-nne ka ọkpụrụkpụ ọrụ dịịrị ha bụ ọzụzụ nke ụmụ ha. N'ime ọrụ ndi a dị nsọ dịịrị ha, ndi-nna na ndi-nne ka ọ mara n'aka ha inyeritara onwe ha aka dịka ndi njikọ-aka ahata-aha. Nkwarụ, ọnwụ, ma ọbụ ọnọdụ ndi ọzọ nwere ike ime ka nnabata ọnọdụ onye dị mkpa. Ikwu na ibe ezi-na-ụlọ nile kwesịrị inye aka mgbe e nwere mkpa ya.

"Anyị na-adọ aka na ntị na ndi mmadụ na-emebi ọgbụgba-ndụ nile nke ịdị ọcha mmekọrịta, ndi na-eme-gide onye ha lụrụ ma ọbụ nwa, ma ọbụ ndi na-aghara imejụpụta ọrụ ezi-na-ụlọ nile dịịrị ha ga otu ụbọchị gu-zoro maka nzara onwe n'ihu Chineke. N'ịga n'ihụ, anyị na-adọ aka na ntị na nkewasị nke ezi-na-ụlọ ga eweta-kwasị n'elu ndi mmadụ nile, ama-ala nile, ọdachi nile e buru uzọ kwuo site na ndi-amụma agba ochie na agba ọhụrụ.

"Anyị na-akpọku ndi nwe-ala nile maara ihe na ndi ọkwa-ọrụ gomenti ebe ọbụla ka ha kwalite nzube nile ndi ahụ e mere ijigide ma mee ka ezi-na-ụlọ guzosie ike dịka yunit ntọ-ala ndi ụwa" (*Ensign,* Nov. 1995, 102).

# Nhazi na Ebumn'obi nke Ezi-na-ụlọ



## Nhazi

Ezi-na-ụlọ bụ yunit ntọ-ala nke Jisus Kraịst nke Ndi-nsọ Ụbọchị-ikpe azụ ndi a na yunit mmekọrịta mmadụ na ibe ya kachasị mkpa n'oge ugbu a ma n'ebigh-ebi. Chineke ehiwewo ezi-na-ụlọ nile iweta obi-ụtọ nye ụmụ ya, ikwe ka ha mụta ụkpụrụ nile ziri ezi n'ọnọdụ nke ịhụn'anya, na ịkwado ha maka ndụ ebigh-ebi.

Ebe-obibi bụ ebe kachasị mma ikuzi, ịmụta, na itinye ụkpụrụ nile nke ozi-ọma n'ọrụ. Ọ bụ ebe ndi mmadụ na-amụta inweta ihe-oriri ahụ, ihe-oyiyi, nzere, na ihe ndi ọzọ dị mkpa na-akpa ha. Onye-nna, site n'enyem aka nke onye-nne, kwesịrị inyere onye-otu ezi-na-ụlọ ọbụla aka:

- Ịchọ ezi-okwu ahụ na izụlite okwukwe na Chineke.
- Ichegharị maka mmehie nile, ime baptism maka mgbaghara nke mmehie nile, ịghọ onye-otu nke Nzukọ-nso nke Jisus Kraịst nke Ndi-nsọ Ụbọchị-ikpeazụ ndi a, ma nata Mụọ Nsọ.
- Irube-isi nye iwụ-nsọ nile nke Chineke, jiri mgbalị na-amụ akwụkwọ-nsọ nile, na-ekpe ekpere kwa ụbọchị, ma na-ejere ndi ọzọ ozi.

- Ikekọrịta *ozi*-ọma ahụ ha na ndi ọzọ.
- Ka e nyekwasị ha onyinye dị nsọ ma ka a lụọ ha na temple nye onye nsom-ije kwesịrị ekwesị maka ebigh-ebi, kepụta otu ebe-obibi obiụtọ maka ezi-na-ulọ ahụ site n'ịhụ-n'anya na ichụ-aja.
- Ịchọ maka ozi-nkọwa banyere ndi nna nna ochie nwụrụ anwụ ma meere ha emume-nsọ temple nile.
- Inweta mmezi-ahụ a chọrọ maka ahụ-ike nke mụọ, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, na mmetụta-ahụ.

Onye-nna nke ji ọkwa-nchụ-aja ahụ bụ ntọ-ala onye ọkwa-ọrụ ọkwa-nchụ-aja n'ime nzụkọ. Ọ bụ onye-isi ma ọbụ Petriak nke ezi-na-ụlọ ahụ(lee Ndi Efesọs 5:23). Dịka onye-ndu ọkwa-nchụ-aja n'ezi-na-ụlọ ya, ọ na-anọ n'isi ezi-na-ụlọ ma nwee ọrụ diịrị ya ikuziri, gọzịe, ma nweta ihe ndi dị mkpa nke ndụ maka ezi-na-ụlọ ahụ. Ọ na-edu ezi-na-ụlọ ya ka ha na-akwado ịlaghachi n'ihụ Nna nke Elu-igwe. Nwunye ya bụ onye nsom-ije ya kachasị mkpa, onye njikọ-aka na onye-ndụmọdụ. Di na nwunye kwesịrị ịdụkọrịta ọdụ n'okwu nile nke mekụtara ezi-na-ụlọ na ebe-obibi.

Onye-nna kwesịrị inweta maka mkpa nile nke mụọ nke ezi-na-ụlọ ya. O kwesịrị ịhụ na a na-akuziri ha ozi-ọma nke Jisus Kraịst ma kwesịrị ime ihe nile o nwere ike ime ịgba ha ume na inyere ha aka irube-isi nye iwu-nsọ nile nke Chineke.

Onye-nna kwesịrị ekwesị tozuru oke n'ime Nzuko-nsọ nwere ike iji ọkwa-nchụ-aja ahụ, nke bụ ike na ikike nke Chineke mee ihe. N'iji ike na ịkike nke a, onye-nna na-aghọ onye-ndu ọkwa-nchụ-aja nke ezi-na-ụlọ ya. Onye-nna nke ji ọkwa-nchụ-aja nwere ike igọzi ndị-ọtu ezi-na-ụlọ ya ma nweta maka mkpa nile nke mụọ ha. Site n'ikike nke ọkwa-nchụ-aja ahụ *ma jiri nkwado-ikike site n'aka onye-ndu ọkwa-nchụ-aja ya*, onye-nna nwere ike:

1. Ịgụ-aha ma gọzie ụmụ.
2. Ime ụmụntakịrị baptisim(na ndi ọzọ)
3. Ime ụmụntakịrị(na ndi ọzọ) ndị-otu nke Nzukọ-nsọ ma nyekwasị ha Mụọ Nsọ
4. Inyefe ọkwa-nchụ-aja ahụ n' ìsi ụmụ ya ndi nwoke (na ndi ọzọ) ma chie ha echichi baa n'ọkwa-ọrụ nile dị n'ime ọkwa-nchụ-aja ahụ.
5. Igọzi ma bugharịa oriri-nsọ.
6. Igọzi ili.

*Na-enweghị nkwado-ikike site n'onye-ndu ọkwa-nchụ-aja,* onye-nna nwere ike ido mmanụ nsọ ma gọzie ndi-otu ezi-na-ụlọ ya ndị ọzọ mgbe ha dara ọrịa ma nye ha ngọzi nile pụrụ-iche

n'oge ndị ọzọ mgbe mkpa ya palitere. (lee ibe nile nke 18–26 n'ime akwụkwọ-nduzi nke a maka nkuzi nile n'ime emume-nsọ nile nke ọkwa-nchụ-aja na ngọzi nile.)

Onye-nna ga-ahụ na ezi-na-ụlọ ya guzuosiri ike n'ọrụ ntọ-ala atọ nke ọkwa-nchụ-aja:

1. Ịdị na njikere nke mụọ na nke anụahụ nke onwe na nke ezi-na-ụlọ.
2. Ikekọrịta ozi-ọma ahụ.
3. Akụkọ ezi-na-ụlọ na emume-nsọ nile nke temple maka ndi dị ndụ na ndi nwụrụ anwụ.

Onye-nne nwere ngọzi nke imụ na ịzụ ụmụ. Ọ bụ onye njikọ-aka na onye-ndụmọdụ nye di ya. Ọ na-enyere ya aka ikuziri ụmụ ha iwụ nile nke Chineke. Ọbụrụ na e nweghị onye-nna n'ebe-obibi, onye-nne ka ọrụ ezi-na-ụlọ diịrị.

Onye-nna na onye-nne ga-abụrịrị otu n'ebumn'obi. Ebumn'uche ha kwesịrị ịbụ ịkwado ndi-otu nile nke ezi-na-ụlọ ịlaghachikwuru Nna anyị nke Elu-igwe. Ha kwesịrị ịdị n'otu dịka ha na-arụ ọrụ chee ihu n'ebumn'uche nke a. Onye-nwe-anyị ehiwewo Nzukọ-nsọ ahụ inyere ndi-nna na ndi-nne aka ikuziri na ilekọta ezi-na-ụlọ ha nile.

Mgbe ụmụ batara n'ime ezi-na-ụlọ, ndi nne na nna ga-ahụ ha n'anya, kuziere ha ezi-okwu nile nke ozi-ọma ahụ, ma bụrụ ihe-ịma-atụ nile nke ibindụ ezi-omume. Ụmụntakịrị ga-amụta ma debe iwu-nsọ nile nke Chineke. Ha ga-akwanyere nne na nna ha ugwu ma rubere ha isi.

Ike nke Nzukọ-nsọ na-adabere n'ezi-na-ụlọ nile na ndị mmadụ na-ebi ndụ ozi-ọma nke Jisus Kraịst. Ogo nke ezi-na-ụlọ na-eru n'inwe añụrị na ngọzi nile nke ọzi-ọma ahụ na-adabere karịa n'otu ọma onye-nna na onye-nne na-aghọta ma na-arụ ọrụ ntọ-ala ha nile dịka ndị nne na nna. O nweghị mgbe ọ bụ nzube Nzụkọ-nsọ inye usoro nile ma ọbụ ọrụ nile diịrị ndi-nna na ndị-nne nke ga-akarị ha akarị ma ọbụ mee ka ha daa mba ma ọbụ mee ka ha leghara ọrụ ndi a kachasị bụrụ ntọ-ala anya.

---

## Ebumn'obi

N'ihi na Nna anyị nke Elu-igwe hụrụ anyị n'anya, ọ chọrọ ka anyị bụrụ ndị e buliri elu dịka Ọ dị. Inyere anyị aka, O nyewo anyị otu atụmatụ isoro nke gbakwasịrị ụkwụ n'iwu-nsọ nile nke ezi-okwu. Ndi na-amụta ihe banyere atụmatụ ahụ ma na-eso ya na ntụkwasị-obi nwere ike otu ụbọchị dịrị-

zie ka Nna anyị nke Elu-igwe ma naenwe añụrị na ya.

Akụkụ atụmatụ ahụ bụ ka anyị hapụ elu-igwe ma bịa n'ụwa. N'ebe a anyị ga-erite otu ahụ nke anụ-ahụ, mụta site n'ihe-mmụta nile, ma gosipụta onwe anyị ndi kwesịrị ekwesị ibi ọzọ n'ihụ nke Chineke. Anyị na-egosipụta onwe anyị ndi kwesịrị ekwesị site n'ijiri aka anyị họrọ idebe iwu ya nile (lee Abraham 3:23-25; 2Nifaị).

Inyere anyị aka ịkwado onwe anyị maka ndụ anyị na ya, Nna anyị nke Elu-igwe ahaziwo anyị n'ezi-na-ụlọ nile. Ezi-na-ụlọ nile n'ụwa yiri ezi-na-ụlọ nile anyị nwere ike inwe n'ala-eze Selestial ahụ.

# Ikuzi Ozi-ọma ahụ n'Ebe-obibi



Onye-nwe-anyị enyewo ndị nne na nna iwu-nsọ ikuzi ozi-ọma ahụ nye ụmụ ha. Ọ sị:

"Ọbụrụ na ndi nne na nna nwee ụmụ na Zaịọn ma ọbụ na Stek nile a haziri nke Zaịọn ma ghara ikuziri ha ịghọta ozizi nile nke nchegharị; okwukwe na Kraịst, Ọkpara nke Chineke ahụ dị ndụ; na baptism na onyinye nke Mụọ Nsọ ahụ site na mbikwasị aka mgbe ha ruru afọ asatọ, mmehie ahụ ga adị n'isi nile nke ndi nne na nna.

"Nke a ga abụ otu iwu maka ndi bi na Zaịọn ma ọbụ na Stek ọbụla a haziri nke Zaịọn".

"A ga-eme ụmụ ha baptisim maka mgbaghara nke mmehie ha nile mgbe ha ruru afọ asatọ, ma ha ga-anata mbikwasị aka".

"Ma ndị nne na nna gakwa akuziri ụmụ ha ikpe ekpere ma gaa ije n'ụzọ kwụ ọtọ n'ihu Onye-nwe-anyị (lee D&C 68:25-28)".

## Ọmụmụ Akwụkwọ-nsọ Ezi-na-ụlọ

Anyị nwere ike idizi ka Nna anyị nke Elu-igwe ma na-enwe añụrị n'ụdị ndụ Ọ na-enwe añụrị na ya nanị site n'i-debe iwu nile n'elu nke ngọzi ahụ gba-

kwasịrị ụkwụ (lee D&C 130:20–21). Tutu anyị enwe ike ibi-ndụ site n'iwu nile ndi ahụ, anyị ga-amatarịrị ihe ha bụ. "Ọ gaghị ekwe omume na a ga-azọpụta mmadụ n'amaghị-ama(lee D&C 131:6)."

Jisus Kraịst bụ onye-ndu anyị na o nye-iwu. Ọ maara ụzọ ahụ na iwu nile anyị ga-edeberịrị, ma Ọ kpọwo onye ọbụla n'ime anyị oku isoro Ya. Ọ sị, "A bụ m ụzọ ahụ, ezi-okwu ahụ, na ndụ ahụ: onweghị onye na-abịakwute Nna, m'ọbụghị site na Mụ" (Jọn 14.6). Idizi ka Nna anyị nke Elu-igwe ma laghachikwuru Ya, anyị ga-amụtarịrị nkuzi nile nke Jisus ma soro ha. Anyị nwere akwụkwọ-nsọ nile inyere anyị aka ịmụta banyere ndụ, nkuzi nile, na iwu-nsọ nile nke Jisus Kraist.

Akwụkwọ anọ ahụ nke Nzukọ-nsọ nabatara dịka akwụkwọ-nsọ bụ Bible, Akwụkwọ nke Momọn, Ozizi na Ọgbụgba-ndụ nile, na Ọla-pel nke Oke Ọnụ-ahịa. Ha na-akọwa iwu nile nke ozi-ọma ahụ na ihe nlere-anya nile site na nke anyị ga-enwe ike tụnyere echiche nile, omume nile, na nkuzi nile. Ha na-enyere anyị aka ịmụta banyere ndụ na nkuzi nile nke Jisus Kraịst ma na-enye ihe-ịma-atụ nile nke ndi mmadụ ndi nweworo okwukwe na Chineke ma debewo iwu-nsọ Ya nile.

Jisus kuziiri anyị ịchọ na ịmu akwụkwọ-nsọ nile (lee D&C 26:1; 88:118; 2 Timoti 2:15; 3 Nifaị 23:1)

Ezi-na-ụlọ kwesịrị ịmụkọta akwụkwọ-nsọ ọnụ kwa ụbọchị ịmụta na isoro nkuzi nile nke Onye-nwe-anyị. Ndi-nna kwesịrị ikpọkọta ezi-na-ụlọ ha nile ọnụ n'ọge a họpụtara n'ụbọchị ọbụla ịgụ na ịkparịta-ụka akwụkwọ-nsọ nile. Onye-otu ezi-na-ụlọ ọbụla nke nwere ike ịgụ kwesịrị inwe ohere-ọma ịgụ site n'akwụkwọ-nsọ nile.

Otu onye-otu ezi-na-ụlọ nwere ike ikpe ekpere tutu ọgụgụ akwụkwọ-nsọ ma rịọ Nna nke Elu-igwe ka Ọ gọzie onye ọbụla ịghọta ihe a na-agụ na irite otu ọgbụgba-ama maka ya. Ezi-na-ụlọ nile nwere ike ịchọ ka ekpere ezi-na-ụlọ ha na-eso ọgụgụ akwụkwọ-nsọ.

Dịka ezi-na-ụlọ nile na-agụ ma na-atụgharị akwụkwọ-nsọ nile n'uche, ha ga achọ idizi ka Onye-nzọpụta karịa ma ga achọta obi-ụtọ dị ukwuu karịa na udo n'ime ndụ ha nile.

---

## Ekpere nile nke Onwe na nke Ezi-na-ụlọ

Onye ọbụla n'ime anyị ga amụtarịrị ịgwa Nna anyị nke bi n'Elu-igwe okwu site n'ekpere. Ọ hụrụ anyị n'a-

nya ma chọọ ka anyị gwa Ya okwu. Ọ chọrọ ka anyị kelee Ya maka ngọzi anyị nile ma rịọ maka enyem-aka Ya na odudu. Ọ ga enyere anyị aka mgbe anyị rịọrọ. Akụkụ ekpere karịrị ka a na-ekpe n'ihudata isi anyị nile ehudata na anya anyị nile e mechiri dịka anyị sekpuuru ala, nọdụ-ala, ma ọbụ guzoro ọtọ.

Anyị nwere mkpa icheta ụkpụrụ anọ dị mkpa mgbe anyị na-ekpe ekpere:

1. Anyị na-amalite ekpere anyị nile site n'ịgwa Nna anyị nke bi n'Elu-igwe okwu: "Nna anyị nke bị n'Elu-igwe . . . "

2. Anyị na-ekele Nna anyị nke Elu-igwe maka ihe ndi Ọ na-enye anyị"Anyị na-ekele Gị . . . "

3. Anyị na-arịọ Ya maka enyem-aka anyị nwere mkpa ya: "Anyị na-arịọ Gị . . . "

4. Anyị na-emechi ekpere anyị a'aha nke Onye-nzọpụta: "N'aha nke Jisus Kraịst, Amen."

Ọbụghị iwu na ekpere anyị nile ga na-esokarị nzọ-ụkwụ anọ ndị a nile, mana ibu ha n'uche ga-enyere anyị aka ịmụta ikpe-ekpere. Anyị kwesịrị mgbe ọbụla ịmalite ma mechie ekpere ọpụrụ-iche anyị nile jiri nzọ-ukwu mbụ na nke ikpe-azụ mana ihe anyị na-ekwu n'etiti ga-adabere n'ihe anyị chere dị mkpa. Mgbe ụfọdụ, anyị ga-achọ iwere akụkụ karịrị n'ekpere anyị ikele Nna anyị nke Elu-igwe. N'oge ndị ọzọ, anyị nwere ike ịchọ iwere akụkụ ka n'ekpere anyị ịrịọ maka enyem-aka Ya.

**Ekpere Ọpụrụ-iche nile**

Ndi nne na nna kwesịrị ikuziri ụmụ ha na Chineke na-anọ na njikere oge ọbụla ịnụ ekpere nile. Na mgbakwụnye n'ekpere nile nke onwe na nke ezi-na-ụlọ a na-ekpe n'oge ha, ha nwere ike ikpe ekpere oge ọbụla ha nwere mkpa enyem-aka ọpụrụ-iche ma ọbụ chọọ igosipụta ekele nile.

**Ekpere nile nke Onwe**

Onye ọbụla kwesịrị ikpe-ekpere n'otu n'otu ọ dịkarịsịa ntakịrị otu ugboro n'ụtụtụ ma ọbụ n'anyasị ọbụla. Ndị nne na nna kwesịrị ikuziri ụmụ otu e si ekpe ekpere site n'isekpuru ala ha na ha na ime ka ha kwugharịa otu ahirị-okwu tutu e kwuo ọzọ. N'oge n'adịghị anya ụmụ ahụ ga-enwe ike ikpe ekpere nke ha.

**Ekpere nile nke Ezi-na-ụlọ**

Ezi-na-ụlọ ọbụla kwesịrị ịnwe ekpere ezi-na-ụlọ kwa ụbọchị. Ezi-na-ụlọ dum na-esekpụkọta ala ọnụ, ma onye-nna na-ekpe ekpere ahụ ma ọbụ gwa otu onye-otu ezi-na-ụlọ ka o kpee ya. Onye ọbụla kwesịrị inwe otu

ohere ọma n'oge ya ikpe ekpere. Ụmụ ndi ntakịrị nwere ike iwere ohere ha nile ebe ndị nne na nna ha na-enyere ha aka. Oge Ekpere ezi-na-ụlọ bụ oge kachasị mma maka ikuziri ụmụntakịrị otu e si ekpe ekpere na ikuzi ụdị ụkpụrụ nile dịka okwukwe na Chineke, obi ume-ala, na ịhụn'anya.

**Ịgọzi Ihe-oriri**

Onye-nna ọbụla kwesịrị ịhụ na ndi-otu ezi-na-ụlọ a mụtara ikele Chineke maka ihe-oriri ha ma rịọ Ya ka Ọ gọzie ya tutu ha erie nri. Onye ọbụla, tinyere ụmụ ka dị nta, kwesịrị inwe otu ohere inye ngọzi ahụ, ikpe ekpere maka ngọzi n'ihe-oriri na-enyere ndi nne na nna aka na ụmụ ịmụta inwe obi-ekele nye Nna anyị nke Elu-igwe.

## Nnọkọ Anyasị n'Ebe-obibi Ezi-na-ụlọ

Ezi-na-ụlọ ọbụla kwesịrị idebe otu nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ kwa izu-ụka. Otu ezi-na-ụlọ nwere ike itinyekọta ikwu na ibe ndi ọzọ. Ezi-na-ụlọ ọbụla, na-agbanyeghị ọnọdụ ha nile, ka a ga-agọzi site n'idebe nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ulọ nile. Nzukọ-nsọ na-eghewe anyasị Mọnde nile oghe site n'ihe-omume nile ka ezi-na-ụlọ nile nwe ike ịnọkọta maka nnọkọ anyasị n'ebe-ọbibi ezi-na-ụlọ.

Otu Ndi-isi-nduzi Mbụ sịrị: "Anyị na-ekwe unu nkwa nnukwu ngọzi nile ma ọ bụrụ na unu ga-eso ndụmọdụ nke Onye-nwe-anyị ma na-edebe nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ n'oge ya. Anyị na-ekpe ekpere esepughị aka na ndị nne na nna n'ime Nzukọ-nsọ ga anabata ọrụ dịịrị ha ikuziri ma bụrụ ihe-ịma atụ n'ụkpụrụ nile nye ụmụ ha. Ka Chineke gọzie unu n'ịdị uchu n'ọrụ nke a kachasị mkpa" ("Message from the First Presidency," Family Home Evening Resource Book, [1983], iv).

Dịka Petrịak nke ezi-na-ụlọ ya, onye-nna na-anọ n'isi. Ọ na-edu ma ọbụ na-ahọpụta otu onye-otu ezi-na-ụlọ ka o duo nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ ahụ. Ọ na-akuzi ihe-ọmụmụ ahụ ma ọbụ nyefee ọrụ nkuzi ahụ n'aka nwunye ya ma ọbụ n'aka ụmụ ndi toruru ogo ikuzi. Onye ọbụla nke toruru ogo kwesịrị inwe ohere-ọma nile iso mee ihe.Ụmụ ndị ka dị nta nwere ike inye aka n'ụzọ ndi dị ka idu egwu, ikwu okwu akwụkwọ-nsọ dịka e si kwuo ya, ịza ajụjụ nile, ijide ihe e sere ese nile, ibugharị ihe-oriri na ọñụñụ, na ikpe ekpere. N'oge onye-nna na-anọghị, onye-nne na-anọ n'isi.

Otu ndepụta a turu ero maka nnọkọ anyasị n'ebe-obibi na-eso:

- Abụ mmeghe (site n'aka ezi-na-ụlọ)
- Ekpere mmeghe (site n'aka otu onye-otu ezi-na-ụlọ)
- Okwu-nkwugharị ma ọbụ ọgụgụ okwu-akwụkwọ-nsọ(site n'aka otu onye-otu ezi-na-ụlọ)
- Ihe-omume(site n'aka onye-nna, onye-nne, ma ọbụ nwa toro eto)
- Ihe-omume(a ga-edu site n'aka otu onye-otu ezi-na-ụlọ na ebe ya na ndi-otu ezi-na-ụlọ ndi ọzọ sooro na-eme ihe)
- Abụ mmechi (site n'aka ezi-na-ụlọ)
- Ekpere mmechi (site n'aka ezi-na-ụlọ)
- Ihe-oriri na ọñụñụ

Ezi-na-ụlọ nwere ike idebe nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ n'ọtụtụ ụzọ. Ihe-omume ọbụla nke na-ewetakọta ezi-na-ụlọ ọnụ, na-eme ka ịhụ-n'anya ha nwe rịtana ebe otu onye na ibe ya sie ike, na-enyere ha aka ikpudebe nso n'ebe Nna nke Elu-igwe nọ, ma na-agba ha ume ibi-ndụ ezi-omume nwere ike ịbụ nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ. Ihe-ịma-atụ nile nke ihe-omume nile dị otu a na-etinyekọta ọgụgụ akwụkwọ-nsọ nile, ịkparịta ụka ozi-ọma nile, ịrụ ọrụ ije-ozi, ịbụkọta abụ ọnụ, ịga njem obi-ụtọ, igwu otu egwuri egwu ezi-na-ụlọ, na iji ụkwụ gaa njem. Nnọkọ anyasị n'ebe-obibi nile kwesịrị itinyekọta ekpere.

Ihe-omume nile nke nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ nwere ike ịgbakwasị ụkwụ n'okwu-akwụkwọ-nsọ nile; okwu nile nke ndi-amụma ụbọchị-ikpe-azụ ndi a nke ka nke okwu nile nke ọgbakọ zuru ọha; na ihe-mmụta nile na ọgbụgba-ama nile nke onwe. E kwesịrị ịgbagide ụkwụ n'ọ̀mụ́mụ́, ndụ, nkuzi nile, na Aja-mmehie nke Onye-nzọpụta. Ụkpụrụ nile nke ozi-ọma, Ntọ-ala nile nke ozi-ọma, na akwụkwọ mgbasa-ọzi nile nke Nzukọ-nsọ nwere ihe-ogugu nile na ozi-nkọwa ndị ọzọ n'ọtụtụ isi-okwu nke nwere ike ịbụ akụkụ nke ihe-ọmụmụ nile nke nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ.

Isi-okwu mkparịta-ụka nile a tụrụ aro ha maka nnọkọ anyasị n'ebe-obibi na-eso:

- Atụmatụ nke nzọpụta
- Ndụ na nkuzi nile nke Jisus
- Nchegharị
- Ekpere
- Obubu-ọnụ
- Okwu nke Amamihe

- Ihe-nlere-anya Onye-nwe-anyị nke ịdị ọcha ime mụọ
- Ihe oriri-nsọ pụtara
- Ịkwụ otu ụzọ n'ụzọ iri
- Obi-ekele
- Ịkwụwa aka ọtọ
- Nkwanye-ugwu maka Chineke na nsọpụrụ maka okike Ya nile
- Ịkwado maka baptism, echichi ọkwa-nchụ-aja, ma ọbụ ọlụlụ di na nwunye
- Ịgụ akwụkwọ-nsọ nile
- Idebe Ụbọchị izụ-ike nsọ
- Ịgbaghara ndị ọzọ
- Irite na ikesa otu ọgbụgba-ama
- Idekọta akụkọ ezi-na-ụlọ nile
- Ịghọta na ịnabata ọnwụ
- Igbo nsogbu ezi-na-ụlọ nile
- Ijikwa ego ezi-na-ụlọ
- Inwe mmasị na inwe añụrị n'egwu

---

## Ụbọchị ezum-ike nile na Oge Ọpụrụ-iche nile

Ụbọchị ezum-ike nile na oge ọpụrụ-iche nile, dịka Ekeresimesi, Ista, ncheta nke nwe laghachi nke ọkwa-nchụ-aja ahụ; ọgbakọ zuru ọha nile; ọpụpụ nke otu onye-otu ezi-na-ụlọ maka ije mgbasa ozi-ọma; ma ọbụ ọ̀mụ́mụ́-ihe, baptism, ma ọbụ ichi echichi nke otu onye-otu ezi-na-ụlọ, nwere ịke ịbụ ohere-ọma nile kachasị mma ikuzi ezi-okwu nile nke ozi-ọma ahụ.

---

## Ikwu Otu ụzọ n'ụzọ iri na Onyinye nile

Otu oge kachasị mma maka ndị nne na nna ikuzi iwu nke ikwu otu ụzọ n'ụzọ iri na onyinye nile bụ oge ha na-akwụ nke ha. Ụmụntakịrị na enwe mmetụta ime ihe site n'ihe ha na-ahụ na ndị nne na nna ha na-eme. Ụmụntakịrị ndị na-anata ụgwọ kwesịrị ikwụ otu ụzọ n'ụzọ iri na ya. Nwata ọbụla nwere ike inwe ọba-ego atọ: Otu maka ikwụ otu ụzọ n'ụzọ iri, otu maka ije mgbasa-ozi-ọma, na otu maka ego mmefu. Oge ọbụla ụmụntakịrị natara ego, ha kwesịrị ịmụta ibu ụzọ tinye pesent iri n'ime ọba-ego otu ụzọ n'ụzọ iri, mgbe ahụ ụfọdụ ego n'ime ọba-ego mgbasa ozi-ọma, na nke fọdụru n'ime oba-egọ egọ-mmefu.

Mgbe ụmụntakịrị dokwaworo ego otu ụzọ n'ụzọ iri, ndị nne na nna kwesịrị ikuziri ha idejụpụta mpe mpe akwụkwọ ngosi otu ụzọ n'ụzọ iri, itinye ya n'ime ọbọ-akwukwọ-ozi ya na ego

ahụ, ma nye ya ma ọbụ zịgara otu onye-otu ndi-isi nlekọta ngalaba ukwu ma otu ndi-isi-nduzi ngalaba nta ọbọ-akwukwọ-ozi ahụ. Ezi-na-ụlọ nile ndi nke n'ebighi na ngalaba-ukwu ma ọbụ ngalaba-nta kwesịrị inye-ndi ọkwa-nchụ-aja e nyere ikike ahụ otu ụzọ n'ụzọ iri ha.

---

## Mkparịta-ụka nile nke Oge-nri

Oge-nri nile nwere ike ịbụ ezigbo oge maka ikwu banyere ozi-ọma ahụ. Ụmụ ndi dị nta na-enwe mmasị ijụ na ịsa ajụjụ ozi-ọma nile. Mgbe ha n'a-maghị ọsịsa ha nile, onye-nna ma ọbụ onye-nne nwere ike inye nke nke ọsisa nile ma kuzie ozi-ọma ahụ.Ọ bụ-ghị oge-nri ọbụla na-enwe mkpa iti-nyekọta mkparịta-ụka ozi-ọma mana ụdị mkparịta-ụka ugboro abụọ ma ọbụ atọ n'otu izu-ụka nwere ike inyere ezi-na-ụlọ ahụ aka ịmụ ozị-ọma ahụ.

---

## Akụkọ nile nke Oge-ụra

N'ihi na ọtụtụ ụmụntakịrị hụrụ akụkọ oge-ụra nile n'anya, ha bụ otu ohere-ọma kachasị mma maka ikuzi ozi-ọma site n'ịkọ ma ọbụ ịgụ akụkụ nile site n'akwụkwọ-nsọ nile, mbipụta Nzukọ-nsọ nile, ma ọbụ ihe-mmụta nile nke onwe. Akụkọ nile banyere ịkwụwa-aka-ọtọ, ikerịta, na obi-ọma na-akuzi ụkpụrụ nile nke ozi-ọma dị mkpa.

---

## Ịrụkọta Ọrụ Ọnụ

Ọtụtụ ohere-ọma maka ikuzi ozi-ọma na-apalite dịka ezi-na-ụlọ nile na-arụ-kọta ọrụ ọnụ gburu gburu ebe-obibi. Dịka a na-ehicha ụlọ ma ọbụ na-arụ ọrụ na mbara ezi ma ọbụ n'ubi-nta, iji maa atụ, ndị nne na nna kwesịrị iti-nye uche maka ohere-ọma nile ikwu banyere ozi-ọma ahụ. Nwata ga-ajụ ajụjụ ugboro ugboro. Ndị nne na nna oge nile kwesịrị iwere oge inye ọsịsa nile dị mfe. "Nke-nke okwu ndi dịka" Ị bụ ezigbo onye-ọrụ. E ji m aka na Nna nke Elu-igwe ji gị na-anya-isi," ma ọbụ "lee ọmarịcha igwe ojii nke Nna nke Elu-igwe meworo" nwere ike inye ụmụntakịrị mmetụ nke obi-ekele nye Nna anyị nke Elu-igwe na obisike na Ọ nọ n'ezie.

---

## Nzụkọ nile nke Ezi-na-ụlọ

Ndị-nna nwere ike ịkpọkọta ndị-otu ezi-na-ụlọ ọnụ n'otu nzukọ ezi-na-ụlọ. Ezi-na-ụlọ nile nwere ike iji nzukọ ndi a yie ebumn'uche ezi-na-ụlọ nile, gboo nsogbu ezi-na-ụlọ nile, kaprịta ụka ego nile, mee atụmatụ nile, kwado ma mee ka ha tarịta onwe ha ike otu onye na ibe ya, gbaa ama, ma

kperịtaara ekpere otu onye nye ibe ya. E nwere ike idebe otu nzukọ mgbe ọbụla e nwere mkpa ya. Ndi-nna nwere ike ịchọ idebe otu nzukọ ezi-na-ụlọ ụbọchị Sọnde ọbụla ma ọbụ gbakwụnye ya na nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ. Nsọpụrụ maka uche-ọbi nile na mmetụta nile nke ndi ọzọ dị mkpa nye inweta ihe a chọrọ nke nzukọ nile nke ezi-na- ụlọ.

## Ajụjụ-ọnụ nile nke Otu-onye

Ọtụtụ ndi-nna na-achọpụta na ajụjụ-ọnụ nile nke otu-onye a na-edebe n'oge ha, ha na nwa ha ọbụla, na-enyere ndị-nna aka ịkpụdebe nso ụmụ ha, ịgba ha ume, na ikuziri ha ozi-ọma ahụ. Ụdị ajụjụ-ọnụ nile dị otu a nwere ike ịbụ nke a kwadoro akwado ma ọbụ nke a na-akwadobeghị akwado ma e nwere ike na-edebe ya ugboro ugboro.

Onye-nna kwesịrị igosipụta ịhụn'anya ya na ntụkwasị-obi na nwa ahụ, ma nwa ahụ kwesịrị inwe otu ohere-ọma igosipụta mmetụta ya nile banyere isi-ọkwu ọbụla, nsogbu, ma ọbụ ihe-mmụta o nwere. Onye-nna kwesịrị ige ntị na mkpachapụ-anya ma kwesịrị iwere nsogbu nile na izu nile nke nwa ahụ dị ka ihe dị ezigbo mkpa. Onye-nna na nwa nwere ike chọọ ikpekọta ekpere ọnụ. Nsogbu nile na-amalite site n'ajụjụ-ọnụ nke na-ewebata ndi-otu ezi-na-ụlọ ndị ọzọ ka e nwere ike ijikwa mee ihe na nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ ọzọ nke na-eso.

## Ihe-omume nile nke Ezi-na-ụlọ

Onye-nna kwesịrị ịtụ atụmatụ oge nile ugboro ugboro inwe ezi-na-ụlọ nile na-emekọta ihe ọnụ. Njem-obi-ụtọ nile, njem-kampin, ọrụ nrụkọta-ọnụ ezi-na-ụlọ, ọrụ ebe-obibi na mbara ezi, igwu mmiri, iji ụkwụ gaa njem, na ihe-nkiri-onyonyo nile zuru oke na ihe mmasị ndị ọzọ bụ ihe ole na ole nke ọtụtụ ihe-omume ezi-na-ụlọ nile nwere ike inwekọta iñụrị ọnụ na ha.

Ezi-na-ụlọ nke na-enwekọta añụrị ọnụ n'ihe-omume nile ga-enwe mmetụta ịhụn'anya na nkwekọrịta dị ukwuu karịa. Ụmụ ga-anọ na njikere karịa ige ndị nne na nna ha ntị ma soro ndụmọdụ ha mgbe ha nwere mmetụta na ha no ha nso. Ndị nne na nna ga-enwe ike ikuzi ozi-ọma ahụ n'ụzọ dị ire karịa.

# Ntọ-ala Ọrụ nile nke Ọkwa-nchụ-aja



Ozi nke Nzụkọ nke Onye-nwe-anyị bụ inyere ndị mmadụ nile aka ịbịa-kwute Kraịst. Ezi-na-ụlọ nile nwere ike inye-aka mezuo ozi nke a dịka ha:

1. Na-enweta maka nke ha na mkpa nke mụọ nile na nke anụ-ahụ ezi-na-ụlọ ha ma na-enye aka izute mkpa nile nke ndi ọzọ.

2. Na-ekerita ozi-ọma ha na ndị ọzọ.

3. Na-ahụ na ndi-otu ezi-na-ụlọ ha na-anata emume-nsọ temple nile ma na-enye aka inweta ngọzi nile ndi a maka ndi nna nna ha ochie nwụworo anwụ.

## Mkpa nile nke Mụọ na nke Anụ-ahụ

### Mkpa nile nke Mụọ

Na nkeji tupu nke a nke akwụkwọ-nduzi a 'Ikuzi Ozi-ọma n'Ebe-obibi', nwere ozi-nkọwa n'ime ya n'otu ezi-na-ụlọ nile nwere ike iji nweta maka mkpa nile nke mụọ ha.

### Mkpa nile nke Anụ-ahụ

Ezi-na-ụlọ nile kwesịrị ibuzi ndi nda-bere-n'onwe ha nwere ike inweta maka mkpa nile nke anụ-ahụ nke ha ma nyere ndi ọzọ aka. Inwe ike ịbụ

ndị ndabere-n’onwe, ndi-otu ezi-na-ụlọ ga-anọrịrị na njikere ịrụ ọrụ. Ọrụ bụ mgbalị nke anụ-ahụ, nke uche, ma ọbụ nke mụọ. Ọ bụ ebe-mmalite nke mmezu, obi-ụtọ, nkwanye-ugwu nke onwe na ime nke-ọma. Ndi nne na nna kwesịrị ịgbalị ịbụ ndi ndabere-n’onwe ma kwesịrị ikuziri ụmụ ha ime otu ahụ. Ịbụ ndi ndabere-n’onwe ga-eme ka ha nwe ike inyere ndi nọ na mkpa aka.

Onye-nna na onye-nne na-enweta maka mkpa nile nke anụ ahụ ezi-na-ụlọ ha. Ha na-ahụ na ezi-na-ụlọ nwere ebe-obibi dị ọcha, ihe-oriri zuru ezu, ihe-oyiyi, nlekọta ụlọ-ọgwụ na nke ézé, ohere-ọma nile nke ụlọ-akwụkwọ, nkuzi n'ijikwa ebe-nweta ego nile, ma okwe omume, ọzụzụ n'otu e si akọ ụfọdụ ihe-oriri nke ha. Ndi nne na nna kwesịrị ikuziri ụmụ ha otu esi akwado ihe-oriri ha na otu esi echekwa ha maka iji mee ihe ma e mesịa.

Ndị nne na nna kwesịrị ịnọ na njikere ịrụsị ọrụ ike inweta maka mkpa ndi a nile nke anụ-ahụ, “Ma unu agaghị ekwe ụmụ unu ka ha na-aga n'a-gụụ,ma ọbụ ịgba-ọtọ”(Mosaịa 4:14). Ndị nne na nna kwesịrị ịtụ atụmatụ ma kwado inweta maka mkpa nile nke ezi-na-ụlọ n'oge nile nke ọrịa, ọdachi, enweghi-ọrụ, ma ọbụ ihe-isi-ike nile ndi ọzọ. Ọbụrụ na onye-nna nwere nsogbu inweta maka mkpa nile nke anụ-ahụ nke ezi-na-ụlọ ya ma ọbụrụ na ndị-otu ezi-na-ụlọ ndị ọzọ enweghị ike inye-aka, o nwere ike ịchọ enyem-aka site n'aka ndi-ndu ọkwa-nchụ-aja.

Ụmụ nwere ike inye-aka nweta maka mkpa nile nke anụ-ahụ nke ezi-na-ụlọ ha nile site n'inyere ndị nne na nna ha aka n'ọrụ ha, imụ akwụkwọ nke ọma n'ụlọ-akwụkwọ, ilekọta ihe-oyiyi ha na ihe-onwunwe nile ndị ọzọ, idebe onwe ha na ebe-obibi ha ọcha ma kpa-kọọ ọnụ, na ịnọgịde n'ezigbo ahụ-ike.

Ndị nne na nna kwesịrị ikuziri ụmụ ha ikerịta ihe ha na ndi ọzọ. Ọ fọdụrụ ntakịrị ka ọ bụrụ onye ọbụla bụ onye nwere ike inye ihe, n'agbanyeghị otu ntakịrị ha nwere. Otu ụzọ inyere ndị nọ na mkpa aka bụ site n'ibu ọnụ ọnwa nile na ịtụnye onyinye obubu-ọnụ nile nke e ji enye onye agụụ na-agụ ihe-oriri, ndo maka ndi n'enweghị ebe-obibi, ihe oyiyi maka ndị gba ọtọ, na ime ka ọ dịịrị ndị ọ na-akpa mfe. Anyị na-egosi ịhụn'anya anyị maka Onye-nwe-anyị mgbe anyị na-enyere ndi ọzọ aka. Ọ si, “Ọbụrụra na unu emeworo ya otu n'ime ndi ụmụnne m dịkarịsị ntakịrị, unu emewo ya nye mụ” (Matiu 25:40)

---

## Ikesa Ọzi-ọma ahụ

Onye-nwe-anyị na ndi-amụma ụbọ-chị-ikpe-azụ ndi a akuziwo na onye-

otu ọbụla nke Nzukọ-nsọ nwere ọrụ diịrị ya ikerịta ozi-ọma ahụ ya na ndi ọzọ. "Ọ bụ ọrụ onye nke a dọworo aka na ntị ka ọ dọọ onye-agbata obi ya aka na ntị (lee D&C 88:81). Alma , otu onye-amụma n'ime Akwụkwọ nke Momọn, kọwara na mgbe a na-eme anyị baptism anyị kwesịrị ịdị na njikere "iguzo dịka ndị-aka-ebe nke Chineke n'oge nile, n'ihe nile, ma n'ebe nile" (Mosaịa 18:9).

Ndị-otu ezi-na-ụlọ kwesịrị ime ihe nile ha nwere ike inyere ikwu na ibe ha aka, ndị enyi nile, na ndị agbata-obi nile ịmụta banyere ozi-ọma nke Jisus Kraịst na ngọzi nile o nwere ike iweta n'ime ndụ ha nile. Site n'ikesa ozi-ọma ahụ, ndị nne na nna na ụmụ nwere ike ime ka ọgbụgba-ama ha nile sie ike ma weta ngọzi nile nke ozi-ọma ahụ nye ndị ọzọ. Ezi-na-ụlọ nile nwere ike:

- Ịbụ ezigbo ihe-ịma-atụ nile site n'irube-isi nye iwu-nsọ nile (lee Matiu 5:16).
- Inwe obi-ekele maka ịbụ onye-otu n'ime Nzukọ-nsọ (lee Ndi Rom 1:16), ma kwe ka ndi ọzọ mata na ha bụ ndị-ọtu.
- Jụọ ndị ha maara ma ọ ga-amasị ha ịmata karịa banyere Nzukọ-nsọ ahụ.
- Rịọ Onye-nwe-anyị ka O nyere anyị aka họpụta otu ezi-na-ụlọ ma ọbụ otu onye dị na njikere ịnụ ozi-ọma ahụ.
- Webata ezi-na-ụlọ ahụ ma ọbụ onye ahụ na Nzukọ-nsọ n'otu ụzọ, dị ka site n'ikpọ ha oku n'otu nnọkọ anyasị n'ebe-obibi ezi-na-ụlọ ma ọbụ n'otu nzukọ nke Nzukọ-nsọ ma ọbụ ihe-omume, na-enye ha akwụkwọ Nzukọ-nsọ nile ma ọbụ mpe mpe akwụkwọ ozi ịgụ, ma ọbụ ịgwa ha okwu banyere ngọzi nile nke ozi-ọma ahụ. Ha nwere ike ikuziri ụmụ ha idokwa ego maka mgbasa-ozi ọma nile, ịrụsi ọrụ ịke, bụrụ ndị-ndabere-n'onwe, ma na-ahụ ndị ọzọ n'anya ma na-ejere ha ozi.

---

## Emume-nsọ nile nke Temple maka Ndi Dị Ndụ na Ndi Nwụrụ Anwụ

N'ime temple nile, ndi-otu Nzukọ-nsọ tozuru-oke na-anata emume-nsọ ma na-abanye n'ọgbụgba-ndụ nile ha na Chineke maka onwe ha na maka ndị nna nna ha ochie nwụrụ anwụ. Ebe o kwere omume, onye-nna na onye-nne kwesịrị onye ọbụla inweta akwụkwọ nkwado maka ịba temple site n'aka ndi-ndu ọkwa-nchụ-aja ha ma gaa n'otu temple ịnata emume-nsọ nile

nke ha. Ọbụrụ na ha enweghị ike ịga n'otu temple, ibi ndụ kwesịrị ekwesị nke akwụkwọ nkwado ịba temple.

Ezi-na-ụlọ nile nwere ọrụ dị nsọ diịrị ha ịhụ na e mere emume-nsọ temple nile maka ndị nwụworo anwụ na-anataghị ha. Ndị-otu Nzukọ-nsọ ndi nataworo emume-nsọ nke ha nile kwesịrị ịlaghachi na temple ahụ ugboro ugboro dịka oge, ụzọ nile ịga ya, na ọdịdị nke temple ga-ekwe ime emume-nsọ nile maka ndi nna nna ochie.

Ndi nna na ndi nne kwesịrị ikpokọta akụkọ-ndekọta nile e deworo nke ihe ndi mere eme n'ime ndụ nile nke ụmụ ha, tinyere asambodo nile nke ngọzi nile, baptism nile, echichi nile, ọlụlụ di na nwunye nile, na ọnwụ nile, akwụkwọ ozi nile dị mkpa; onyonyo nile, edemede nile a chọpụtara site n'akwụkwọ mgbasa ozi nile, na ihe ndi ozo yiri ha. Ha kwesịrị ịchịkọta akụkọ nile nke onwe ha ma kwesịrị ịgba onye-otu ezi-na-ụlọ ọbụla ume idebe akụkọ nile nke onwe ha. Ha kwesịrị inyere ụmụntakịrị ka dị nta aka ịmalite akụkọ nile nke onwe ha.

Ezi-na-ụlọ nile kwesịrị ikpokọta ozi-nkọwa banyere ndị nna nna ha ochie ma chịkọta ha n'ime akụkọ ezi-na-ụlọ nile.

# Ọzụzụ Odudu




N'okpuru ntụzi-aka nke mịshịọn, distrik, ma ọbụ ndi-ndu stek, kworum na otu ndi-ndu ọkwa-nchụ-aja ga-akuziri onye-nna ọbụla maka onye nke ha nọ n'isi ịghọta na ime ntọ-ala ọrụ ọkwa-nchụ-aja atọ n'ime ezi-na-ụlọ ha. Ndi-ndu ọkwa-nchụ-aja kwesịrị ikuziri onye-nna ọbụla otu ọ ga-esi duo ezi-na-ụlọ ya n'ime ihe dịka otu yunit Nzukọ-nsọ. Ọbụrụ na ezi-na-ụlọ ahụ ebighị n'otu ngalaba-nta ma ọbụ ngalaba-ukwu ndị-ndu mịshịọn, distrik, ma ọbụ stek ga-ahụ na ndi-nna mụtara ma mejupụta ọrụ nile dịịrị ha.

# Ezi-na-ụlọ Ahụ dịka otu Yunit Nzụkọ-nsọ



Ụfọdụ ezi-na-ụlọ esoghị n'ótú òtù, ngalaba-nta, ma-ọbụ ngalaba-ukwu. *Jiri nkwado-ikike site n'aka onye-isi-nduzi mịshịọn, distrik, ma-ọbụ stek*, ụdị ezi-na-ụlọ ndi ahụ kwesịrị idebe nzukọ ofufe Sọnde nile n'ebe-obibi ha. Mgbe onye-nna ahụ ji ọkwa- nchụ-aja ezi-na-ụlọ ahụ na-eme ihe dịka otu yunit nke Nzụkọ-nsọ. Onye-nna ma ọbụ onye ọzọ ji ọkwa-nchụ-aja nwere ike ịkwado ma gọzie oriri-nsọ ahụ ma ọbụrụ na o tozuru-oke, bụrụ onye-nchụ-aja n'Ọkwa-nchụ-aja Erọn ma ọbụ ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melchizedek *ma nwere ikikere site n'aka ndi-ndu ọkwa-nchụ-aja*. Onye ọbụla ji ọkwa-nchụ-aja nwere ike ibugharị oriri-nsọ ahụ. Nkuzi nile maka ịgọzi oriri-nsọ dị n'ibe-akwụkwọ nile nke 23 ruo 24 nke akwụkwọ nduzi a.

Nzukọ ofufe Sọnde kwesịrị ịdị mfe, inwe nsọpụrụ na ùgwù. Ihe ndi nwere ike ịdị n'ime ya bụ:

1. Abụ mmeghe
2. Ekpere mmeghe
3. Ngọzi na mbugharị nke oriri-nsọ
4. Otu ma ọbụ karịa nke ihe ndị na-esọ
    - Otu ma ọbụ okwu abụọ ma ọbụ ọgbụgba-ama nile
    - Ọgụgụ akwụkwọ-nsọ na mkpa-rịta-ụka dịka otu ezi-na-ụlọ

- Otu ihe-omume site n'aka otu onye-otu ezi-na-ụlọ

5. Abụ mmechi

6. Ekpere mmechi

N'ịtụ atụmatụ otu nzukọ ofufe Sọnde, onye-nna kwesịrị ịchọ ma soro odudu nke mụọ nke Onye-nwe-anyị. Ndi nke Akwụkwọ nke Momọn nyere otu ihe-ịma-atụ nke ụdị ofufe nke a. "Ma ọgbakọ ha nile ka e duziri . . . n'ụdị nke ịrụ-ọrụ nile nke Mụọ, na site n'ike nke Mụọ Nsọ duru ha n'ihe nke ha ga ekwusa, ma ọbụ ịgba-ume, ma ọbụ ikpe ekpere, ma ọbụ ịbụ-abụ, ma ọbụ ịriọ arịrịọ, ọbụna otu ahụ e mere ya" (Moronaị 6:9).

Ezi-na-ụlọ kwesịrị iji akwụkwọ-nsọ ha nile mere ntọ-ala odudu ha. Na gbakwụnye, ha nwere ike iji okwu ọgbakọ zụrụ ọha, Ukpuru nile nke ọzi-ọma, mpe mpe akwụkwọ edemede mgbasa ozi-ọma, akwụkwọ mgbasa-ọzi Nzukọ-nsọ nile ndi ọzọ na ihe nkiri onyonyo na-ekwu okwu.

Ọbụrụ na o nweghị onye nọ n'ezi-na-ụlọ ahụ ji ọkwa-nchụ-aja, onye-nna ma ọbụ onye-nne nwere ike ịkpọkọta ndị-otu ezi-na-ụlọ ọnụ bụọ abụ, mụọ akwụkwọ-nsọ, kpee ekpere, ma kpụdebekọta ọnụ nso nso Nna nke Eluigwe. Onye-ndu ọkwa-nchụ-aja na-elekota ezi-na-ụlọ ahụ ga-ahazi ohere-ọma nile kwa mgbe maka ezi-na-ụlọ ahụ ịnata oriri-nsọ.

Ndị nne na nna kwesịrị inwe ihe-omume nile nke otu ụbọchị-izu-ụka, dịka iji ụkwụ gaa njem, njem obi-ụtọ nile, ihe-nkiri-onyonyo nile zuru oke, nleta ikwu na ibe, egwuri egwu nile, ihe-omume nile nke ite egwu, na igwu mmiri.

Ezi-na-ụlọ ndi n'anọghị na ngalaba-nta ma ọbụ ngalaba-ukwu kwesịrị inye onye-ndu ọkwa-nchụ-aja na-elekota ha otu ụzọ n'ụzọ iri na onyinye obubu-ọnụ nile ndi ọzọ.

Ezi-na-ụlọ anaghị enye Nzukọ-nsọ nkọwa, mana ebe ọbụla o kwere omume, onye-nna kwesịrị inwe ajụjụ-ọnụ ọkwa-nchụ-aja nke onwe ya na onye-ndu ọkwa-nchụ-aja na-elekota ya ọ dịkarịsịa ntakịrị ọnwa-atọ ọbụla n'ime nke ọ ga-enye nkọwa nile nke ọnọdụ ezi-na-ụlọ ya.

# Emume-nsọ Ọkwa-nchụ-aja nile na Ngọzị nile



Emume-nsọ Ọkwa-nchụ-aja nile bụ omume nile dị nsọ e nyeworo site n'aka Onye-nwe-anyị ma nke a na-eme site n'ikike nke ọkwa-nchụ-aja ahụ. Ngọzi ọkwa-nchụ-aja nile ka a na-enye site n'ikike nke ọkwa-nchụ-aja maka ọgwụgwọ, nkasi-obi, na mgbamume. Ụmụnna ndi na-eme emume-nsọ nile na ngọzi nile kwesịrị ịkwado onwe ha site n'ibi-ndụ dịka ụkpụrụ nile nke ozi-ọma siri dị na ịgbalị ka a na-edu ha site na Mụọ Nsọ. Ha kwesịrị ime emume-nsọ ọbụla na ngọzi n'ụdị dị ugwu ma soro ihe ndi a chọrọ:

1. E kwesịrị ime ya n'aha Jisus Kraịst.
2. E kwesịrị ime ya site n'ikike nke ọkwa-nchụ-aja ahụ.
3. E kwesịrị ime ya n'usoro ọbụla dị mkpa, dịka iji mkpụrụ-okwu nile a kpọrọ aha ma ọbụ iji mmanụ e doro nsọ.
4. E kwesịrị inye ikike ya site n'aka onye-ndu ọkwa-nchụ-aja na-elekota, onye ji ọtụghe-ụzọ nile nke ziri-ezi ma ọbụrụ na ọ dị mkpa.

*Emume-nsọ nile chọrọ nkwado-ikike onye-ndu ọkwa-nchụ-aja bụ ịgụ aha na igọzi ụmụntakịrị, ime baptisim nile na ime onye-otu nile, inyefe ọkwa-nchụ-aja na ichi echichi baa n'otụ ọkwa-ọrụ ọkwa-*

*nchụ-aja, igọzi na ibụgharị oriri-nsọ ahụ, na igọzi ili nile.*

Emume-nsọ nile na ngọzi nile a kọwara n'ime nkeji nke a ga-enyere ndinna aka ije-ozi dịka ndi petrịak n'ezi-na-ụlọ ha nile.

---

## Ịgụ aha na Igọzi Ụmụntakịrị

"Onye-otu Nzụkọ-nsọ nke Jisus Kraịst ọbụla nke nwere ụmụntakịrị ga akpọta ụmụ ha n'ihu Nzukọ-nsọ, nye ndi-okenye, ndi ga ebikwasị aka ha n'isi ha n'aha Onye-nzọpụta" (lee D&C 20:70). N'iso usoro mkpughe nke a, nanị ndikom tozuru-oke ndi ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike iso n'ịgụ-aha na igọzi ụmụntakịrị. *Emume-nsọ ahụ nke ịgụ aha na ịgọzi ụmụntakịrị na-achọ nkwado-ikike site n'ikike ndi nọ n'isi.*

Mgbe a na-agọzi nwantakịrị e ku n'aka, ndikom ndị ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-agbakọta gburu gburu ma debe aka ha nile n'okpuru nwantakịrị ahụ e ku n'aka. Onye nke na-enye ngọzi ahụ:

1. Na-agwa Nna nke Elu-igwe.
2. Na-ekwu na a na-enye ngọzi ahụ site n'ikike nke Ọkwa-nchụ-aja Melkizedek.
3. Na-enye nwantakịrị ahụ aha.
4. Na-enye ngọzi Ọkwa-nchụ-aja Mụọ ahụ na atụzi-aka.
5. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

---

## Baptism

N'okpuru ntụzi-aka onye ji ikike nọ n'isi otu ndi-nchụ-aja tozuru-oke, onye ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek ahụ nwere ike ime mmadụ baptisim. Ime otu a, ọ:

1. Na-eguzo n'ime mmiri ahụ ya na onye nke a ga-eme baptism.
2. Maka ọnọdụ-ọma na nchekwa, na eji aka-ekpe ya jide nkwonkwo akanri onye ahụ; onye ahụ a na-eme baptism na-eji aka-ekpe ya jide nkwonkwo aka-ekpe nke onye naeme baptism ahụ.
3. Na-ewelite ogwe aka-nri ruo ebe mpi-aka ya na ubu ya nọ n'ahịrị.
4. Na-ekwupụta aha onye ahụ n'uju ma na-asị, "Ebe e nyeworo m ikike site na Jisus Kraịst, a na m eme gị baptism n'aha nke Nna, ma na nke Ọkpara ma na nke Mụọ Nsọ. Amen"(lee D&C 20:73).
5. Mee ka onye ahụ jiri aka-nri ya jide imi ya maka ọnọdụ-ọma; onye nke na-eme baptism na-edebe aka ya n'elu azụ onye ahụ ma na-etinye

onye ahụ kpam kpam n'ime mmiri tinyekọta ihe-oyiyi onye ahụ.

6. Na-enyere onye ahụ aka ikulite pụta site na mmiri ahụ.

Ndị nchụ-aja abụọ ma ọbụ ndikom ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-agba aka-ebe baptism ọbụla ịhụ na e mere ya na nke ọma. A ga-emeghariṛị baptism ahụ m'ọbụrụ na ekwutaghị mkpụrụ-okwu ya nile kpọm kwem ka e si nye ya n'Ozizi na Ọgbụgba-ndụ nile 20:73 ma ọbụ ma ọbụrụ na otu akụkụ ahụ ma ọbụ ihe-oyiyi onye ahụ abanyechaghị kpam kpam na mmiri.

---

## Ime Onye-otu

A na-eme mmadụ onye-otu mgbe e mesịworo ya baptism (lee D&C 20:41). *N'okpuru ntụzi-aka otu ndi-isi-nlekọta nọ n'isi ma ọbụ otu ndi-isi-nduzi ngalaba-nta,* otu nwoke ma ọbụ karịa ndi ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike ime emume-nsọ nke a. ha na-atụkwasị aka fere fere n'elu isi onye ahụ. Mgbe ahụ onye nke na-eme emume-nsọ ahụ:

1. Na ekwupụta aha onye ahụ n'uju.
2. Na ekwupụta na a na-eme emume-nsọ ahụ site n'ikike nke Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek.
3. Na eme onye ahụ onye-otu nke Nzukọ nke Jisus Kraịst nke Ndi-nsọ Ụbọchi-ikpe-azu ndi a.
4. Na-enyekwasị onyinye nke Mụọ Nsọ site n'ịsị, "Nata Mụọ Nsọ."
5. Na-enye ngọzi ọkwa-nchụ-aja dịka Mụọ na-atụzi aka.
6. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

**Inyefe Ọkwa-nchụ-aja ahụ na Ichi echichi baa n'Ọkwa-ọrụ nile nke Ọkwa-nchụ-aja**

Onye-isi-nlekọta ma ọbụ onye-isi-nduzi na-elebazu anya na nnyefe nke Ọkwa-nchụ-aja nke Erọn na echichi nile baa n'ọkwa-ọrụ nile nke dikọn, onye-nkuzi, na Onye-nchụ-aja nke Melkizedek na echichi baa n'ọkwa-ọrụ nile nke onye-okenye na onye-nchụ-aja ma ọbụ ichi mmadụ echichi baa n'ótù ọkwa-ọrụ ọkwa-nchụ-aja, ndikom abụọ ma ọbụ karịa ndi ji ọkwa-nchụ-aja a chọrọ na *ndi nke e nyeworo ikike site n'aka onye ji ikike nọ n'isi* na-ebikwasị aka ha fere-fere n'elu isi onye ahụ. Mgbe ahụ onye nke na-eme emume-nsọ ahụ:

1. Na-akpọ onye ahụ aha ya n'uju.
2. Na-ekwupụta ikike site na nke a na-eme echichi ahụ (Ọkwa-nchụ-aja nke Erọn ma ọbụ nke Melkizedek)

3. Na-enyefe Ọkwa-nchụ-aja nke Eron ma ọbụ nke Melkizedek, e wezụga ma enyefeworo ya mbụ.
4. Na-echi onye ahụ echichi baa n'otu ọkwa ọrụ n'Ọkwa-nchụ-aja nke Erọn ma ọbụ Melkizedek ma na-enyekwasị ihe ndị ruuru ya, ike nile, na ikike nke ọkwa-ọrụ.
5. Na-enye ngọzi nile nke ọkwa-nchụ-aja dịka Mụọ si na-atụzi aka.
6. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

## Oriri-nsọ

Oriri-nsọ bụ emume -nsọ dị oke nsọ. Iri oriri-nsọ na-enye mmadụ ohere icheta ndụ, nkuzi nile, na Aja-mmehie nke Jisus Kraịst. Ọ bụ oge a na-emeghari ọgbụgba-ndụ nile onye ọbụla meworo ya na Onye-nwe-anyị n'oge nke baptism ọzọ (lee Mosaịa 18:8–10).

Nwoke ọbụla nke na-akwado, na-agọzi, ma ọbụ na-ebugharị oriri-nsọ ahụ na-eme emume-nsọ nke a nye ndi ọzọ n'aha nke Onye-nwe-anyị. O kwesịrị izute ọrụ a e nyfere ya jiri agwa nke ezigbo nwayọ na nkwanye-ugwu. O kwesịrị ịkpakọ-ọnụ, dị ọcha, ma jie ejiji ya ruo n'oke. Ụdịdị onwe kwesịrị igosipụta ịdị-nsọ nke emume-nsọ ahụ.

Ndị nke na-agọzi oriri-nsọ ahụ kwesịrị idebe otu ibe (ma ọbụ karịa) nke achịcha-bred n'efere dị ọcha n'elu tebulu ma kwesịrị idebe iko nile (ma ọbụ ihe e ji etinye ihe ndị ọzọ) nwe ntakịrị oke nke mmiri n'ime ha n'elu tebulu ahụ, ọ kacha mma n'otu iko maka otu onye ọbụla bịara. Ha kwesịrị ikpuchi achịcha-bred ahụ na mmiri jiri akwa na-acha ọcha dị ọcha. Ndi nke na-agọzi oriri-nsọ ahụ kwesịrị ikpupụ akwa e ji kpuchie achịcha-bred ahụ tutu a turisie ya n'iberibe nile ma gọzie ya ma kwesịrị ikpụchi efere ahụ ọzọ ngwa ngwa e bugharịsịworo achịcha-bred ahụ. Ha kwesịkwara ikpupụ akwa e ji kpuchie mmiri tutu a gọzie ya ma kpuchie ya ọzọ ngwa ngwa e bugharịsịworo mmiri ahụ.

Onye nke na-agọzi achịcha-bred ahụ na-esekpụrụ ma nye ekpere nke oriri-nsọ maka achịcha-bred ahụ. Mgbe ahụ a na-ebugharị achịcha ahụ nye ndị bịara. Onye nke na-agọzi mmiri ahụ na-esekpụrụ ma nye ekpere nke oriri-nsọ maka mmiri ahụ. Mgbe ahụ a na-ebugharị mmiri ahụ nye ndị bịara. Oriri-nsọ bụ maka ndị-otu Nzukọ-nsọ, mana o nweghị ihe e kwesịrị ime igbochi ndi n'abụghị ndi-otu site n'iri ya.

E kwesịrị ikwupụta ekpere nile nke oriri-nsọ nke ọma, otu o kwesịrị, ma na nkwanye-ugwu. Ọbụrụ na onye ahụ nke na-agọzi oriri-nsọ ahụ mee mmelu na mkpụrụ-okwụ ha, o kwesịrị ikwuzi ya.

Ekpere n'elu achịcha-bred ahụ ahụ na-esọ:

"O Chineke, Nna nke Mgbe Ebigh-ebi, anyị na-arịọ gị n'aha nke Ọkpara gị, Jisus Kraịst, ka I gọzie ma sachaa achịcha nke a nye mkpụrụ-obi nile nke ndị nile ga-eketa oke n'ime ya; ka ha wee rie na ncheta nke ahụ nke Ọkpara gị, ma gbaara gị aka-ebe O Chineke, Nna nke Mgbe Ebigh-ebi, na ha nọ na njikere iwekwasị onwe ha aha nke Ọkpara gị, ma na-echeta ya mgbe nile, ma na-edebe iwu-nsọ ya nile nke o nyeworo ha, ka ha wee na-enwe Mụọ ya mgbe nile ịnọnyere ha. Amen. (D&C 20:77; lee kwa Moronaị 4.)

Ekpere n'elu mmiri ahụ na-eso:

"O Chineke, Nna nke Mgbe Ebigh-ebi, anyị na-arịọ gị, n'aha Ọkpara gị, Jisus Kraịst, ka I gọzie ma sachaa mmiri nke a nye mkpụrụ-obi nile nke ndị nile ga-añụ site na ya, ka ha wee mee ya na ncheta nke ọbara nke Ọkpara gị, nke a kwafuru n'ihi ha; ka ha wee gbaara gị aka-ebe, O Chineke, Nna nke Mgbe Ebigh-ebi, na ha na-echeta ya mgbe nile ka ha wee nwee Mụọ ya ịnọnyere ha. Amen." (D&C 20:79; lee kwa Moronaị 5.)

E kwesịrị ibupu oriri-nsọ ahụ site na tebulu ngwa ngwa o kwere mee mgbe e mesịrị nzukọ ahụ. Achịcha-bred ọbụla fọdụrụ ka e nwere ike iji mere nri.

Nanị ndị-nchụ-aja nọ n'okwa-nchụ-aja na ndikom ndi ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike igọzi oriri-nsọ ahụ. Ndị dikọn, ndi-nkuzi na ndi-nchụ-aja nọ n'Ọkwa-nchụ-aja nke Erọn na ndikom ndị nke ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike igbugharị oriri-nsọ ahụ. *Igọzi na ibugharị oriri-nsọ ahụ na-achọ nkwado-ikike site n'onye ji ikike nọ n'isi.*

---

## Igọzi Ndi Ọrịa

### Ido Mmanụ nsọ

Otu nwoke (ma ọbụ karịa) onye nke ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-edo mmanụ oliv n'enweghị ntụpọ nsọ maka ebumn'obi nsọ nke ite ndị ọrịa ma ọbụ ndị nwere mkpagbu mmanụ. (ma ọbụ ha):

1. Na-ejide ihe eji etinye ihe ghere oghe nke nwere mmanụ oliv n'ime ya.
2. Na-agwa Nna anyị nke Elu-igwe
3. Na-ekwupụta na a na-eme ihe site n'ikike nke Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek.
4. Na-edo mmanụ ahụ nsọ (ọ bụghi ihe e ji etinye ihe) ma na-edopụ ya iche maka ite ndị ọrịa na ndi nwere mkpagbu mmanụ.
5. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

## Ịgọzi Ndi Ọrịa

Nanị ndikom, ndi ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike ịgọzi ndi ọrịa ma ọbụ ndi nwere mkpagbu. Dịka e si eme ya, abụọ ma ọbụ karịa na-emekọta ya ọnụ, mana otu nwere ike ime ya nanị ya. Ọbụrụ na mmanụ e doro nsọ adịghị, otu nwoke nke ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike inye ngọzi site n'ikike nke ọkwa-nchụ-aja ahụ.

Onye-nna ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek kwesịrị igọzi ndi-otu ezi-na-ụlọ ya dara ọrịa. O nwere ike ịrịọ nwoke ọzọ onye ji Ọkwa-nchụ-aja ahụ ka o nyere ha aka.

Ịgọzi ndi ọrịa nwere ụzọ abụọ: (1) ite-mmanụ jiri mmanụ na (2) ịrachi otite-mmanụ ahụ.

*Iji Mmanụ mee Otite-mmanụ*. Otu nwoke onye ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-ete onye ahụ nke dara ọria mmanụ. Ime otu a , Ọ:

1. Na-etinye kpọm kpọm ole na ole nke mmanụ ahụ e doro nsọ n'elu isi onye ahụ.
2. Na-ebikwasị aka ya fere fere n'elu isi onye ahụ ma kpọọ onye ahụ aha ya n'uju.
3. Na-ekwupụta na ya na-ete onye ahụ mmanụ site n'ikike Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek ahụ.
4. Na-ekwupụta na ya na-ete mmanụ jiri mmanụ nke e doworo nsọ maka ọgwụwọ nke ndi ọrịa.
5. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

*Irachi Otite-mmanụ ahụ*. Ka e si eme ya, ndikom abụọ ma ọbụ karịa ndi ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-ebikwasị aka ha fere fere n'elu isi nke onye ọrịa. Otu n'ime ndikom ahụ na-arachi otite-mmanụ ahụ. Ime otua, ọ:

1. Na-akpọ onye ahụ aha ya n'uju
2. Na-ekwupụta na o na-arachi otite-mmanụ ahụ site n'ikike Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek ahụ.
3. Na-arachi otite-mmanụ ahụ.
4. Na-enye ngọzi dịka Mụọ si na-atụzi aka.
5. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

---

## Ngọzi nile nke Nna na Ngọzi nile Ndị ọzọ nke Nkasi-obi na Ndụmọdụ

Ngọzi nke Nna na ngọzi ọkwa-nchụ-aja ndi ọzọ ka a na-enye inweta ntụzi-aka na nkasi-obi dịka Mụọ si na-edu.

Onye-nna nke ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwere ike inye ngọzi nile nke Nna nye ụmụ ya. Ụdị ngọzi nile dị otu a nwere ike inye aka nke ka nke mgbe ụmụntakịrị na-apụ site n'ebe-

obibi gaa ụlọ-akwụkwọ, mgbasa-ozi-ọma nile, na-alụ ọlụlụ di na nwunye, na-aba ije-ozi ndi-agha, ma ọbụ na-eche aka-mgba onwe nile nke n'ama-ghị-ahụ ihu. Ngọzi nile ndi a nwere ike ịbụ nnukwu agbam-ume ezi-na-ụlọ. Ezi-na-ụlọ nwere ike idekọta ngọzi nile nke nna maka akụkọ-nde-kọta nile nke ezi-na-ụlọ, mana a naghị echekwa ya n'akụkọ-ndekọta nile nke Nzukọ-nsọ. Ndị nne na nna kwesịrị ịgba ụmụntakịrị ume ịchọ ngọzi nile nke nna n'oge nile nke mkpa.

Ndikom tozuru-oke ndị ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek nwekwara ike inye ngọzi nile nke nkasi-obi na ndụmọdụ nye ndị nwunye ha, ndị ikwu na ibe, ezi-na-ụlọ, na ndị ọzọ ndị nke rịọrọ ha.

Inye ngọzi nke nna ma ọbụ ngọzi ndi ọzọ nile nke nkasi-obi na ndụmọdụ, onye-nna ahụ na otu ma ọbụ karịa nke ndikom tozuru-oke ndị ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek na-ebikwasị aka ha fere fere n'elu isi nke onye na-anata ngọzi ahụ. Ọ dịghị mkpa iji mmanụ. Mgbe ahụ onye nke na-enye ngọzi ahụ:

1. Na-akpọ onye ahụ aha ya n'uju.
2. Na-ekwupụta na ọ na-enye ngọzi ahụ site n'ikike nke Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek.
3. Na-enye ngọzi dịka Mụọ si na-atụzi aka.
4. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

---

## Igọzi ili

Onye nke na-agọzi ili ga-abụrịrị onye ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek ma ga-enwetarịrị ikike site n’aka n'onye-ọrụ ọkwa-nchụ-aja onye nke na-edu ije-ozi ahụ. Ịgọzi ili, ọ:

1. Na-agwa Nna nke Elu-igwe.
2. Na-ekwupụta na ọ na-agọzi ili ahụ site n'ikike Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek.
3. Na-agọzi ma na-edo ala ebe olili ahụ nsọ dịka ebe izu-ike maka anu-ahụ nke onye nwụrụ anwụ.
4. Ebe ọ dabara adaba, na-ekpe ekpere ka ebe ahụ bụrụ ebe e debere nsọ ma bụrụ ebe e chekwara echekwa ruo mbilite n'ọnwụ.
5. Na-arịọ Onye-nwe-anyị ka ọ kasie ezi-na-ụlọ ahụ obi ma na-ekwupụ-tasị echiche ndi ọzọ dịka Mụọ si na-atụzi aka.
6. Na-emechi n'aha nke Jisus Kraịst.

Ọbụrụ na ezi-na-ụlọ chọọ, otu onye (ọ kacha mma otu nwoke onye ji Ọkwa-nchụ-aja nke Melkizedek) nwere ike ikpe ekpere akụkụ-ili kama ikpe ekpere igọzi-ili.

THE CHURCH OF
JESUS CHRIST
OF LATTER-DAY SAINTS

IGBO
4 02311 80593 8
31180 593